# AKỤ̀ AHỤ DỊ N'UBI PEARL AHỤ DỊ ÓKÉ ỌNỤAHỊA UGBỤ́AZỤ̀ AHỤ
## Matiu 13:44-52
### IHEỌ̀MỤ̀MỤ̀ 78 - Nke Ndiokenye

**AMAOKWU IBUN'ISI: "Iwu Chineke na ndi-amuma-Ya di rue oge Jọn: site n'oge ahu anēzisa ozi-ọma ala-eze Chineke, madu nile n'otù n'otù were ihe-ike nāba nime-Ya" (Luk 16:16).**

**I Otù Àkụ̀ Achọtara Nke Ezoro N'Otù Ubi**

1. Alaeze eluigwe yiri àkụ̀ ezoworo n'ubi, Matiu 13:44; Ndi Kọlọsi 1:26
2. Otù nwoke nke chọtara ya zoro ya, n'ihi ịdị óké ọnụ ya, Matiu 13:44; 6:20
3. O rere ihe niile o nwere ịzụta ubi ahụ, ka o wee nweta àkụ̀ ahụ, Matiu 13:44; Luk 12:33

**II Otù Pearl Achọtara Nke Dị Óké Ọnụahị a**

4. Alaeze Eluigwe yiri otù onyeahịa nke náachọ Pearl ọma, Matiu 13:45; Ndi Kọlọsi 1:26, 27
5. Ọ chọtara otù Pearl dị óké ọnụahịa, nke dị ọnụ karịa ihe niile o nwere, Matiu 13:46; Ndi Kọlọsi 2:3
6. O rere ihe niile ịzụta ubi ahụ, ka o wee zụta Pearl ahụ dị óké ọnụahịa, Matiu 13:46; Ilu 2:1-5

**III Ụgbụ-Azụ̀ Ahụ Awụnyere Nime Óké Osimiri**

7. Alaeze Eluigwe yiri ụgbụ̀ nke kpokọtara aha azụ̀ niile dị icheiche, Matiu 13:47; Aisaia 45:22
8. Adọgotara ụgbụ̀ ahụ n'ótú ewee kewapụta iche azụ̀ dị mma site na nke náadịghị mma, Matiu 13:48; 7:22, 23
9. Otú a n'ọgwụgwụ oge ndị mmụọozi gaekewapụta ndị ajọ mmadụ n'etiti ndị eziomume, Matiu 13:49; 25:31, 32
10. N'ikpé agaatụba ndị ajọomume nime ókè ọkụ̀ ahụ, Matiu 13:50; 25:46

**IV Ndị Náesoụzọ Jisọs Ghọtara Ilu Ahụ Niile**

11. Náánị Ya na ndị náesoụzọ Ya nọ, ebe O zilagasịrị igwè mmadụ ahụ, Matiu 13:36
12. Ọ jụrụ ha ma ha ghọtara Ilu ahụ niile, ha wee zaa, é-é, Matiu 13:51; 13:10, 11
13. Ndị amụma kụziri "ihe ochie," ma Jisọs "ihe ọhụụ," banyere Alaeze ahụ, Matiu 13:52; Luk 10:23, 24

## NKỌWA DỊ ICHEICHE

Náánị Jisọs na ndị náesoụzọ Ya nọ n'oge a, n'ihi na O zilagasịworị igwèmmadụ ahụ wee baa nime ụlọ (Matiu 13:36). Ilu atọ ndịa ka akọrọ nye ndị náesoụzọ Ya iche. Na mgbe garaaga ndị náesoụzọ Jisọs ajụwo Ya ihe mere O ji agwa igwèmmadụ ahụ okwu n'ilu, O wee zaa, "Ọ bu unu ka enyeworo imara ihe-omimi ala-eze elu-igwe, ma enyegh ndi ahu" (Matiu 13:11). Ndị náesoụzọ Jisọs, dịka anyị nwereike kwue, maara ihe banyere iheomimi nke Alaeze ahụ karịa, n'ihi na amụrụ ha ọzọ, bú oge anaakụ̀ Alaeze Chineke n'obi, dịka anyị nụworo ya (Luk 17:20, 21). Ákwá nke Jọn Onyeọwummiri bụ̀, "Chègharianu; n'ihi na ala-eze elu-igwe di nso," nke pụtara n'eziokwu na ọ dịghị mbànye ọ bụla n'Alaeze ahụ ma ọ bụghị site ná nchègharị. Jisọs, ná mkparịtaụkà Ya na Nikọdimọs, sịrị "Ọ buru na amugh madu ọzọ, ọ pugh ihu ala-eze Chineke anya" (Jọn 3:3). Okwu ndịa gosịrị na mgbe amụrụ mmadụ ọzọ**, o nwere ike ị hú,** wee si kwa otú ahụ nweeike ịmara "ihe-omimi nke ala-eze elu-igwe" karịa ka o maara dịka onyemmehie. N'ihi nke a anyị naekwere na Jisọs naakọrọ ndị náesoụzọ ya ilu atọ ndịa n'ihi na ha na ezi ihe dị omimi karịa, nke dị ukwuu, na ihe dị ebube karịa nke Alaeze Eluigwe.

**Ákụ̀ Ahụ Ezoroezo**

"Áku" ahụ nke dị n'ubi, anyị nwereike ikwu na ọ naanọchi anya **óké ọnụahị a** nke Alaeze Eluigwe. Ákụ̀ a ka "ezoworo n'ubi," otú ọ dị, pụọ n'anya ụwa. Ma "nwoke" nke a, nke Jisọs naekwu banyere ya, **chọtara** àkụ̀ ahụ, mgbe o chègharịrị site ná mmehie ya niile ewee mụọ ya ọzọ. Ewee nye ya n'oge ahụ ịmara n'ọ̀tụ̀tụ̀ ụfọdụ iheomimi nke Alaeze ahụ, mgbe ọ **hụrụ** àkụ̀ ahụ, o **zoo** ya ngwangwa -- ọ bụghị na ọ chọrọ izopụ ya n'ebe mmadụ ibe ya nọ, n'ihi na ọ chọrọ ka ụwa niile mara ihe banyere àkụ̀ a; kama o chebere ya n'obi ya dịka ihe nzuzo, nke ọ bụ náánị ndị agbapụtara nke Onyenweanyị nwereike ịmara. "N'ọñu-ya" (nke gosiri na amụrụ ya ọzọ) ewee kwalie ya ijé **ree ihe niile o nwere,** ka o wee nweta àkụ̀ ahụ dị ebube, n'ihi na ọ chọpụtaworị na ọ dị ókéọnụ nke ukwu karịa ihe niile o nwere

Chineke, n'ịhụn'anya Ya n'ebe mmadụ nọ, ejeworị óké ogologo ụzọ ịkọwara mmadụ ebube niile nke alaeze eluigwe ahụ. Nnukwu oghere ka enyere n'Okwu Ya n'isiokwu a iji gosipụta ọnụahịa nke dị ukwuu. Ndị amụma nke Agba Ochie jupụtara n'ojuju anya nke ọñụ, dịka anyị mụworo n'ọtụtụ iheọ̀mụ̀mụ̀ garaaga. Site n'ọtụtụ ihe ngosi ekpughere nye ha banyere otù Alaeze nke ekwere ná mkwà nke náagaghị agabiga bú nke iruuju agaghị adị, anyammiri adịghị kwa, ọnwụ agaghị adịkwa na ya; ebe Eze nke eziomume gaachị n'ike n'ebube n'ocheeze Devid. Mgbe anyị tụgharịrị n'Agba Ọhụụ, anyị na ahụ́ Alaeze a na ọ bụ otù nime isiokwu niile nke dị óké mkpà. Jọn

Onyeọwụmmiri kwusara ya, n'ihi na n'ikpéazụ̀ Eze ahụ n'Onweya abịaworị. Mgbe Jisọs malitere ijéozi Ya, O were kwa iti mkpu ahụ nke onye ahụ ná edoziri Ya ụzọ, "Chègharianu; n'ihi na ala-eze elu-igwe di nso," wee kuziere anyị ebube ahụ niile nke Alaeze Ya, nke ndị amụma jụrụ ihe banyere ya nke ọ gụkwara ndị mmụọozi agụụ inyoba anya nime ya. O dobeere ọnụahịa nke Alaeze ahụ óké elu, na mkpà ọ dị mmadụ inweta ya ọsọsọ, na n'iji ya tụnyere ihe ọ bụ́la ọzọ, urù niile nke ụwa nke a ihe efù. N'Okwu Chineke ahụ ekwuru n'elu Ugwu arịrịọ Ya n'ebe igwè mmadụ ahụ nọ bụ̀, "Unu echègbula onwe-unu, si Gini ka ayi gēri? Ma-ọbu, Gini ka ayi gāñu? ma-ọbu, Gini ka agēji gbokwasi ayi? N'ihi na ihe ndia nile ka Ndi mba ọzọ nāchọ; n'ihi na Nna-unu nke bi n'elu-igwe nāmata na ihe ndia nile di unu nkpà. Ma burunu uzọ chọ ala-eze Ya, na ezi-omume-Ya; agātukwasi-kwa-ra unu ihe ndia nile" (Matiu 6:31-33). "N'ihi na ala-eze Chineke abugh oriri na ọñuñu, kama ọ bụ ezi-omume na udo n'ọñu nime Mọ Nsọ" (Ndi Rom 14:17).

Ma nime ihe niile nke Okwu Chineke naezi banyere Alaeze Eluigwe, échìchè náezughịezu nke mnadụ apụghị ịghọta ịdị ukwuu ya, maọbụ anya nke anụarụ ya ịhụ́ otuto ya niile. "Ihe anya nāhugh, nke nti nānugh kwa, Nke nābàgh kwa n'obi madu, ka ha ra, bú ihe Chineke doziri ndi huru Ya n'anya. Ma ọ bu ayi onwe-ayi ka Chineke kpughere ha site n'aka Mọ Nsọ" (I Ndi Kọrint 2:9, 10). Onye ahụ nke dere Abù Ọma tisịrị mkpu ike, "Detunu ire, hu na JEHOVA di nma" (Abù Ọma 34:8). Ka mmadụ ahụ nke gaama ihe banyere Alaeze Eluigwe karịa bịa n'ezi nchègharị wee kpee ekpere, rue mgbe ọ maara na agbagharawo ya mmehie niile ya ewee dee kwa aha ya n'Eluigwe. Anya ya nke kpuruìsì ka agaemeghe, ọ gaahụ́ kwa ihe niile nke ọ dịbeghị mgbe ọ rọrọ nrọ̀ banyere ha. Ọ gaachọtaworị "àkù ezoworo n'ubi," ịdị ókéọnụ ya gaakwali kwa ya ijé ree "ihe nile o nwere," ka o wee nweta àkụ̀ ahụ. Ọ bụrụ kwa na ọ "ga-akwu ugwọ ahu" àkụ̀ ahụ gaabụ̀ nke ya.

**Pearl Ahụ Nke Dị Óké Ọnụahịa**

Ilu nke a gamiri n'iheomimi niile nke Alaeze ahụ, n'ihi na o metụtara, dịka anyị kwenyere, Eze ahụ n'Onweya. N'ihi na, ihe ọ bụla gbasara Alaeze ahụ gbadoro ụkwụ n'ebe Ọ nọ. Ma ọ bụrụ na ewezuga eze, alaeze apughị ịdị, nke kachasịnụ anyị agaghị enwe òkè maọbụ ihe nketa n'Alaeze a ma ọ bụghị ma anyị nwere Eze ahụ, "nke bu Kraist nime unu, olile-anya nke ebube ahu." Jisọs na Alaeze Eluigwe ahụ bụ̀ ihe anaapụghị ikewa, n'ihi na Baịbụl naezi na ọ dị mnwekọ bara óké urù nke Jisọs nwere n'ebe Alaeze Ya dị, nke ọ dịghị mgbe alaeze nke ụwa na eze ya bịaruworo ya nso, maọbụ gaemesi bịarue ya nso. Jisọs kwuru nkeọma gwa onye ọchịchị ahụ nke Ndi Rom, "Alaezem esitegh n'uwa nka," n'ihi na Ya Onweya esiteghị n'ụwa nke a. Náání olenaole banyere mnwekọ ahụ Jisọs nwere n'ebe Alaeze Ya dị ka enwereike ileba anya n'oge a:

(1) Alaeze Eluigwe bụ̀ Alaeze ebighịebi, n'ihi na Eze ahụ bụ̀ Ọkpara Chineke nke náadị ebighịebi, dịka emere ka ọ pụta ìhè na Baịbụl: "Ma mu onwem emewo ka ezem guzosie ike n'elu Zaiọn, bú ugwu nsọm. M'gākọ akukọ banyere ukpuru; JEHOVA sirim, Ọkparam ka gi onwe-gi bu; Mu onwem amuwo gi ta" (Abù Ọma 2:6, 7). Okwu igosi nsọpụrụ na ùgwù niile ahụ bụ̀ nke enyere Chineke, ndị achọtara n'Abù Ọma 45:6, 7 na 102:25-27, ka Onyeozi Pọl, n'Akwụkwọozi ya nye Ndị Hibru naewere nkeọma nyefee Ọkpara ahụ: "Ma Ọ nēkwu ihe banyere Ọkpara ahu, si, Oche-eze-gi, Chineke, nādiru mgbe nile ebigh-ebi; Nkpà-n'aka eze nke izi-ezi ka nkpà-n'aka nke ala-eze-Gi bu kwa. I huru ezi-omume n'anya, we kpọ nmebi-iwu asi; N'ihi nka Chineke, bú Chineke Gi, tere Gi manu obi-utọ n'isi kari ndi-nketa-ibe-Gi. Ọzọ kwa, Gi onwe-gi, Onye-nwe-ayi, na mbu ka I tọrọ ntọ-ala nke uwa, Ọlu aka-Gi ka elu-igwe bu kwa: Ha onwe-ha gāla n'iyi; ma Gi onwe-gi nānọgide: Ha nile gāka kwa ñká dika uwe; Dika ákwà-ngbokwasi ka i gāpiakọta kwa ha, Dika uwe agāgbanwe kwa ha: Ma Gi onwe-gi bu Onye ahu Nke nādi mgbe nile, arọ-Gi nile agagh-agwu kwa agwu" (Ndi Hibru 1:8-12).

(2) Ọ bụ Alaeze nke ike, náadị elu karị alaeze niile ọzọ, dịka anyị mụworo n'ọtụtụ iheọ̀mụ̀mụ̀ anyị garaaga, n'ihi na enyewo Eze ahụ ike niile dịka Jisọs mere mgbe mbiliten'ọnwụ Ya gasirị: "Jisọs we biakute ha, gwa ha okwu, si, Ewerewo ike nile di n'elu-igwe na n'elu uwa nyem" (Matiu 28:18). Ike Ya ka emekwara ka ọ pụta ìhè n'ụzọ ahụ Ọ gaesi chịa mba niile, mgbe Ọ gaabịaghachi ọzọ n'ụwa: "I gēji nkpà-n'aka igwè tijisi ha; Dika ihe ọkpu-ite kpuru ka agātupia ha" (Abù Ọma 2:9).

(3) Ọ bụ Alaeze nke eziomume, n'ihi na Eze ahụ bụ̀ Onye eziomume, dịka ebe ahụ agụpụtara n'Akwụkwọnsọ na mbụ: "Oche-eze-gi, Chineke nādiru mgbe nile ebigh-ebi; Nkpà-n'aka-eze nke izi-ezi ka nkpà-n'aka nke ala-eze-Gi bu kwa. I huru ezi-omume n'anya, we kpọ nmebi-iwu asi; N'ihi nka Chineke, bú Chineke-Gi, tere Gi manu obi-utọ n'isi kari ndi-nketa-ibe-Gi."

(4) Ọ bụ̀ kwa Alaeze nke ndụ, ọbụná **ndụ ebighị ebi**, dịka anwapụtaworo ya site n'ọlụ mgbanwe ahụ alụrụ n'ụwa a nke dị ugbu a, na óké mkwá ahụ nke náechere ndị Jehova agbapụtara; n'ihi na Eze ahụ Onweya bụ̀: mbiliten'ọnwụ na ndụ: "Jisọs siri ya, Mu onwem bu nbilite-n'ọnwu na ndu: onye nēkwere na Mu, ọbuná ma asi na ọ nwuru anwu, ọ gādi ndu ọzọ" (Jọn 11:25); "N'ihi na nka bu ihe Nnam nāchọ, ka onye ọ bula nke nēle Ọkpara-Ya anya, nke nēkwere kwa na Ya, we nwe ndu ebigh-ebi; Mu onwem gēme kwa ka o si n'ọnwu bilie n'ubọchi ikpe-azu" (Jọn 6:40).

(5) "Umu ala-eze elu-igwe" ahụ kwa, ebe amụworo ha site na Chineke, nwere ezi mnwekọrịta n'ebe Eze ahụ nọ, ha aghaghị kwa ịdị ka Ya: "Lenu aha ihu-n'anya nka bù nke Nna-ayi nyeworo ayi, ka ewe kpọ ayi umu Chineke:

ayi bu kwa umu-Ya. N'ihi nka uwa amagh ayi, n'ihi na ọ magh Ya. Ndi m'huru n'anya, ugbu a ka ayi bu umu Chineke, akēmegh kwa ka ọ puta ìhè ihe ayi gābu. Ayi matara na, ọ buru na agēme ka ọ puta ìhè, ayi gābu ndi yiri Ya; n'ihi na ayi gāhu Ya otú Ọ di. Onye ọ bula nke nwere olile-anya nka n'ebe Ọ nọ, ọ nēme kwa onwe-ya ka ọ dị ọcha, dika Ya onwe-ya di ọcha" (I Jọn 3:1-3).

N'ihi nke a anyị kwere na "Pearl di óké ọnu-ahia" ahụ bụ̀ Eze ahụ. "Onye ahia ahu nke nāchọ pearl ọma" bụ̀ kwa mmadụ ahụ nke hụworo ọhụ̀ nke pearl ahụ dị óké ọnụahịa, nke dọọrọrị akọnauche ya nke ukwuu site n'ihe ọ hụrụ na o mere ngwangwa ree ihe niile o nwere, wee zụta ya.

Pọl Onyeozi bụ̀ "onye-ahịa ọzọ nke na-achọ Pearl ọma," wee hụ ọhụ̀ nke pearl ahụ dị óké ọnụahịa ná mbuli ijé ya ahụ amara nkeọma ịga Damaskọs. Akwagidekwara ya n'otù aka ahụ ịga ree "ihe nile o nwere," ka o wee nweeike ịnata Pearl ahụ. Mgbe ọ ka nọ n'ụlọmkpọrọ ndị Rom ahụ nke dị n'okpuru ala, ọ naakọrọ anyị ná ntakịrị ihe ọ nwapụtaworo n'iji luzue nke a:

> **"Ihe ọ bula nke baram urù, ihe ndia ka m'guru n'ihe-iyi n'ihi Kraist-ayi. E, tukwasi kwa, anamagu kwa ihe nile n'ihe-iyi n'ihi ọkika nke ọmuma Kraist Jisus, bú Onye-nwem: Onye m'yiri iyi ihe nile nkem n'ihi Ya, anamagu kwa ha n'ihe-nkpofu, ka m'we rita Kraist n'urù, ewe hum nime Ya, nēnwegh ezi-omume ọ bula nke akam, bú nke sitere n'iwu, kama nēnwe ezi-omume ahu nke okwukwe ekwere na Kraist nēweta, bú ezi-omume ahu nke sitere na Chineke n'elu okwukwe; ka m'we mara Ya, na ike nke nbilite-n'ọnwu-Ya, na nnwekọ nke ahuhu-Ya nile, n'ihi na anēme ka mu na Ya nwekọ otù udi n'ọnwu-Ya; ọ buru na uzọ ọ bula di m'gēsi ru isi ná ndi nwuru anwu bilite" (Ndi Filipai 3:7-11).**

Ọtụtụ arọ mgbe mnwapụta ya nke Damaskọs gasịrị, Pọl gbara àmà n'iru Agripa wee mechie site n'okwu ndịa: "Site n'ihe ndia, eze Agripa, abughm onye nādigh-ekwenye ọhù nke elu-igwe." Àmà ikpèàzụ̀ nke onyeagha nke Obe, mgbe ọzọ atụrụ ya mkpọrọ na Rom náechere ogbugbu-ya, gosipụtara na o kwenyere "ọhù nke elu-igwe" ahụ rue n'ọgwụgwụ:

"N'ihi na anāwusim ugbu a dika àjà-ihe-ọñuñu, oge ulam eruwo kwa. Agbasiwom ọsọ ahu, edebesiwom okwukwe ahu: nke fọduru bu na edebeworom okpu-eze nke ezi-omume ahu, nke Onye-ikpé, gēnyeghachim n'ubọchi ahu: ma ọ bugh nání mu onwem, kama Ọ gēnyeghachi kwa ndi nile huworo ngosi-Ya n'anya" (2 Timọti 4:6-8).

Ilu abụọ ndịa, bụ́ nke anyị naamụrịsị, náezi na mmadụ nke gaenweta oghere ịbà n'Alaeze Eluigwe ahu, wee guzo n'iru Eze ahụ mgbe Ọ gaabịa, nwere ọnụahịa ha gaakwụ. N'ụbọchị ndịa nke mkwadobe Ya, ọlụ nke izu òkè naaga n'iru n'etiti ụmụ nke Alaeze ahụ ime ka ha kwesị maka ebe obibi ahụ nke eluigwe. Ọ bụrụ kwa na mmadụ gaenweta Pearl ahụ nke dị óké ọnụahịa, ewe nye kwa ya "okpu-eze nke ezi-omume" n'ụbọchị ikpéàzụ̀, ọ ghaghị ijé ree ihe niile o nwere.

> **"Bamie nime ị hụ-n'anya Jisọs,**
> **Kw'ụbọchị ka m'jee;**
> **N'amam ihe ụlọ-akwụkwọ Kraist,**
> **N'amara dị elu.**
> **"Bamie nime ime Mụọ Nsọ ngọzi,**
> **Werem baa nime,**
> **Tutu rue mgbe m'furu nime Jisọs,**
> **Na uche nke Ya."**

**Ụ́gbụ́ Azụ̀ Ahụ**

Jisọs, mgbe Ọ naebu amụma banyere ụbọchị niile nke ikpéazụ̀, sịrị, "Agēkwusa kwa ozi-ọma nka nke ala-eze elu-igwe n'elu-uwa dum madu bi, ka ọ buru àmà nye mba nile; mgbe ahu ka ọgwugwu ihe nile gēru kwa" (Matiu 24:14). Amụma nke a, anyị kwenyere, nwere ezi mgbakwasị ụkwụ n'ihe dị mkpà nke dị n'ilu ahụ nke ụ́gbụ́-azụ̀ ahụ; bụ nke "óké úgbú ahu awunyere nime oké osimiri," bụ́ **Oziọma nke a nke Alaeze eluigwe,** "óké-osimiri" ahụ bụ igwèmmadụ niile ahụ si n'etiti mba niile ahụ nke ekwusara Oziọma ahụ. Ụ́gbụ̀ ahụ "kpokọta-kwa-ra ufọdu n'aha azụ̀ nile dị iche iche: nke mgbe o juru, ha dọgotara ya n'ótú; ha we nọdu, chịkọta azù di nma tinye nime ihe, ma ha tufuru nke nādigh nma," otù usoro nke amaara nkeọma nye ndịọ́kụ̀ ahụ dị n'etiti ndị náesoụzọ Jisọs, bụ́ kwa nke, anyị ga ahụ́ na ọ nọchiri anya nkeọma ihe anaeme n'ọlụ nke Oziọma.

Mkwusa nke Oziọma ahụ n'oge mwụsa nke amara nke a naenwe mgbe ọ bụla ihe ọjọọ nke anaemeso ya, na kwa ezi ihe. Ọ bụghị "azù" niile ahụ nke anwụdere n'ụ́gbụ́ ahụ ghọrọ azụ̀ dị mma. Ọbụná n'ụbọchị niile ahụ garaaga, mgbe Chineke ji aka Ya dupụta Ụmụ Israel n'ala Ijipt, "igwè ndi gwara-ọgwà" chịkọtakwara ihe mnweta ha niile wee soro ha zọlie ijè, n'ihi na ngọzi nke Onyenweanyị dịkwasị n'arụ Israel. Ìgwè ndịa mara ụlọikwuu ha niile n'okèala niile nke ọmụma ụlọikwuu ndị Israel, wee bụrụ ndị náeweta ọtụtụ nime esemokwu niile na nsogbu niile nke pụtara n'Israel, nke bụ́ àtụ̀màátụ̀ nke ekwensu igbochi ọlụ nke Onyenweanyị. N'otù aka ahụ "umu ala-eze elu-igwe" na enwe mgbe ọ bụla "ndi-mgbakwụnye" -- mmadụ ndị náabata ka ha na Nzukọ Kraist ahụ náenwe mmekọ,

wee “si na ha bu ndi-Ju, ma ha abugh.” N’ihi ndịa Jisọs sịrị, “Ọ bugh onye ọ bula nke nāsim, Onye-nwe-ayi, Onye-nwe-ayi, gābà n’ala eze elu-igwe; kama ọ bu onye nēme ihe Nnam Nke bi n’elu-igwe nāchọ. Ọtutu madu gāsim n’ubọchi ahu, Onye-nwe-ayi, Onye-nwe-ayi, àyi ejigh aha-Gi bu amuma, àyi ejigh kwa aha-Gi chupu ndi-mọ-ọjọ, àyi ejigh kwa aha-Gi lu ọtutu ọlu di ike? Ma mgbe ahu ka M’gēkwuputara ha, si, Ọ digh mgbe ọ bula M’mara unu: si n’ebe M’nọ pua, unu ndi nālu ọlu nēmebi iwu” (Matiu 7:21-23).

N’ihi nke a ọ dị otù ụbọchị nke náabịa mgbe nkewa gaadị, mgbe agaachịkọta “azù di nma” tinye nime arịa, ma “azù ahu ndi nādigh nma” ka agaatufu, “Otú ka ọ gādi n’ọgwugwu oge a; ndi mọ-ozi gāputa, kewaputa ndi bu ajọ madu n’etiti ndi ezi-omume, ha gātubà kwa ha n’oké ọkù ahu: n’ebe ahu ka ikwa ákwà na ita-ikekere-eze ahu gādi.” `Ma nime oge nke fọdụrụ ọ dịịrị “umu ala-eze elu-igwe” ahụ idebe uwe nwụda ha náenweghị ntụpọ, na ịhụ́ na ọ dịghị òzízí ụgha ọ bụla bụ́ nke anaagbọpụta n’eluụwa n’ụbọchị ikpèazụ́ ndịa, gaemetụ ha, “Anamabia ọsọsọ jidesie ihe i nwere ike ka onye ọ bula ghara inara okpu-eze-gi” (Nkpughe 3:11).

**AJỤJỤ DỊ ICHEICHE**

1. Gịnị ka ákụ̀ ahụ ezoro n’ubi naanọchi anya ya?
2. Gịnị bụ̀ ọnọdụ imemmụọ nke mmadụ ahụ mgbe ọ chọtara ya?
3. Gịnị ka okwu ahụ, “ọ we la, ree ihe nile o nwere,” pụtara banyere OnyeKraist?
4. Gịnị ka “Pearl ahu di oké ọnu-ahia” naanọchi anya ya?
5. Ònye bụ̀ “onye-ahia ahu nke nāchọ pearl ọma,” n’akụkụ nke OnyeKraist?
6. Ọ̀ bụ̀ n’ihi gịnị ka ndị náesoụzọ Jisọs ji nwee ezi nghọta nke iheomimi niile nke Alaeze ahụ karịa ka igwè mmadụ ahụ nwere?
7. Gịnị ka “oké úgbú ahu nke awunyere nime oké osimiri,” naanọchị anya ya?
8. Òlee ebe ọgụgụ sitere n’Akwụkwọnsọ nke ụdị ya pụrụ iguzo?
9. Gịnị ka “oké osimiri” ahụ na anọchị anya ya?
10. Gịnị ka “azù di nma” ahụ na “azù na-adigh nma” naanọchị anya ha?